# ỌKPỤKPỌÒKÙ NKE NDỊ NÁESOỤZỌ JISỌS

## Matiu 4:12-25; Jọn 1:35-51; Luk 5:27-32

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 18 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ bugh unu onwe-unu rọputaram, kama ọ bu Mu onwem rọputara unu" (Jọn 15:16).**

**Oziọma Ahụ Nke Dịrị Ụwa Niile**

Oziọma nke Alaeze ahụ nke Jisọs bịara ikwusa bụ ozi sitere n'Eluigwe nke gaagbasa rue ụwa niile. Mgbe Jisọs malitere ijéozi Ya na Galili ọkpọtaara Onweya ndị náesoụzọ Ya ndị Ọ pụrụ izi ịbụ ndịọkụ̀ náakụta mmadụ, na ndị gaabụ ndị ndú nke Nzukọ ahụ n'ikpeazụ.

Enweghị akwụkwọ mgbasa ozi mgbe Jisọs jèghariri n'ụwa; ụzọ ntakịrị ka Jisọs gaesi gbasa óké eziokwu a, ya mere ọ rọọrọ ndịkom ndị gaenyere Ya aka ná mkwusa ahụ. Ọ kụziri ha òzízí Ya na ụzọ ha gaesi náadị ndụ, emesịa O zipụkwara ha nime ụwa niile ikwusara ihe niile ekèrèèkè Oziọma ahụ (Mak 16:15).

**Ụzọ Ahụ Nke Náadịghị Mfé**

Ọ dịghị mfé ịbụ onye náesoụzọ Jisọs. Ọ kpọrọ ndịkom ndị jikeere ịgọnarị onweha wee soro Onyenzọpụta ahụ. N'otù oge Ọ kọwara na anụufe nwere akwụ ha, na nkịta ọhịa nwekwara ọnụ ebe ha bi, ma Ya Onweya enweghị ihe ọ bụla Ọ gaakpọ nke aka Ya -- enweghị ebe Ọ gaatọgbọ isi Ya (Matiu 8:20). N'oge ọzọ Ọ gwara ndị náesoụzọ Ya na "madu nile gākpọ kwa unu asi n'ihi aham"; ma O kwekwara ha mkwà, "Ma otù agiri isi agagh esi n'isi-unu la n'iyi ma ọli" (Luk 21:17, 18). Ọ dịghị emetụ ezi OnyeKraist ma ndị bi n'ụwa kpọọ ya asị. Ọ naadị ndụ ime ihe gaatọ Nna ya nke Eluigwe ụtọ ma náenwe olileanya nke ụgwọọlụ n'Eluigwe.

Mgbe Jisọs naachọ ndị gaabụ ndị náesoụzọ Ya Ọ gaghị n'etiti ndị odeakwụkwọ na Ndị Farisi, bụ́ ndịkom mụtara ihe edeworo na Testament Ochie bụrụ kwa ndịisi nke chọọchị Ndị Ju. Ndịkom ahụ jupụtara n'amamihe nke onweha, ha agaghị achọ kwa ịñantị n'ozizi niile nke Kraist. Ọ gaghị kwa n'etiti ndị ọgaranya, n'ihi na ha chere na ha nwere ihe niile ha chọrọ na Alaeze Eluigwe adịghị kwa ha mkpà. Ma Jisọs gara n'etiti igwè mmadụ ahụ ndị dị umeala n'obi wee chọpụta ndịkom ndị chọrọ inyeaka na ndị hụrụ eziokwu n'anya. N'etiti ha Ọ hụrụ ndịkom ndị Ọ pụrụ ịtụkwasịobi na ha gaejidesi ọlụ a ike mgbe Ọ laghachiri n'Eluigwe.

Ndịkom mbụ Jisọs kpọrọ bụ Pita na Andru. Ha naachọta ihe ha ji ebi ndụ site n'igbuazụ̀. Otù ụbọchị Jisọs naaga n'akụkụ Osimiri nke Galili wee hụ́ ka ha naasacha ụgbọ ha niile. Mgbe Jisọs gwara Pita ka o si n'ala nụpụ ụgbọ ya n'ogbummiri, wụnye ihe o ji egbu azụ ka o gbue azụ. Pita zara sị na ha adọgbuwo onweha n'ọlụ ogologo abalị niile ma ha egbuteghi ihe ọ bụla. O kwetaghị na ọ pụrụ igbute ihe ọ bụla ugbu a, ma o rubereisi n'okwu Jisọs.

Pita na Andru ezutewo Jisọs wee kwere na Ọ bụ Onyenzọpụta mgbe Jọn onye ná awụ Mmiri sịrị, "Le Nwa-aturu Chineke!" (Jọn 1:40, 41), ma otú ọ dị ha atụghị anya mgbe ọ bụla na ọlụ ebube dị otú a gaadị dịka ha hụrụ mgbe ha dọlitere ụgbụ ha. Ọtụtụ azụ dị nime ya nke mere na ọ dọkara ụgbụ ahụ. Ha wee fere ibe ha ndị nọ n'ụgbọ ọzọ aka ịbịa nyere ha aka, ma ịdịarọ nke azụ̀ ahụ dị ukwuu riinne nke mere na ụgbọ abụọ ahụ malitere imikpu. Pita dara n'ụkwụ Jisọs náasị, "Si n'ebe m nọ pu n'ihi na abum onye-nmehie." O metụrụ ya na o kwesịghị ịnata ngọzi dị otú a. Nwute nke mmehie ahụ nke Pita nwere bụ ihe Jisọs naachọsiike: "Obi tiwara etiwa na nke egwepiara egwepia, Chineke, I digh-eleda ya anya" (Abù Ọma 51:17).

**Ụzọ Nke Esi Achụàjà**

Mgbe ụgbọ ndị ahụ bịarusịrị n'ọnụ mmiri, Jisọs sịrị Pita na Andru ka ha so Ya; Ọ gaeme kwa ha ndịọkụ̀ náakụta mmadụ. Lee ọkpụkpọòkù dị otú a! Ha elegideghị igwe azụ̀ ahụ anya si ka ha buru ụzọ ga resịa ha. Ha rapụrụ ha ka onyeọzọ lekọta ha anya, ha wee soro Jisọs. Ọ bụụrụ ha ihe dị óké ọnụahịa ịrapụ ụzọ ahụ ha si achọta ihe ha ji ebi ndụ, ebe ha nụworo ọkpụkpọ nke Jisọs, ma nwee kwa okwukwe ririnne na Ọ gaelekọta ha. Ụdị okwukwe dị otú a dị unu mkpà taa karịa. Ihe anyị nwere n'ụwa nke a adịghị mkpà. Ọtụtụ mkpụrụobi naanwụ; ma Chineke naakpọ ndị ọlụ n'ubi Ya ndị nwere ike ichefu ihe ụtọ nke onweha na ihe nkasịobi ha dị icheiche wee were ozi nke nzọpụta bugara ndị furuefu.

Kraist, Ya na mmadụ abụọ mbụ ahụ ndị náesoụzọ Ya gara n'akụkụ Osimiri Galili, mgbe ha rutere n'ebe dị anya nke ntà ha wee zute ndị ụfọdụ náegbu azụ̀. Jọn na Jemes soro Zebedi nna ha náegbu azụ̀, ha wee náedozi ụgbọ ha. Ha onweha mekwara ngwa ịza òkù ahụ, wee rapụ ọlụ ha soro Jisọs. Ọ dịghị oge ọ bụla anyị gụtara na ndị ahụ nke náegbu azụ̀ laghachiri azụ́ n'ọlụ ha.

N’ihi na n’oge náadịghị anya mgbe akpọgbusịrị Jisọs n’elu obe ọ gbagwojuru ha anya ịmata ihe ha gaeme, ya mere otù ụbọchị ha kpebiri ịga gbue azụ̀. Ma Jịsọs bịakutere ha we gwa ha na ijéozi ha aghaghị ịga n’iru; ọ bụ ezie na Ọ gaghị náeso kwa ha náejé ijè n’anụarụ. Ọ ganaanọnye kwara ha nime Mmụọ (Matiu 28:20). Ya mere ha rapụrụ ihe ha ji egbu azụ̀ rue ebighịebi, wee nye ndụ ha n’ihi Oziọma ahụ.

Ihe edere n’akwụkwọnsọ naekwu kwa na Jemes na Jọn rapụrụ nna ha. Oge ụfọdụ n’ụbọchị ndịa Jisọs chọrọ ka ụmụntakịrị Ya rapụ ndị mụrụ ha na ụlọ ha ịlụrụ Ya ọlụ; ma O kwewo mkwà, “Onye ọ bula nke rapuru ulo, ma-ọbi umu-nne ndikom, ma-ọbu umu-nne ndiyom, ma-ọbu ubi, n’ihi aham, ọ gānata ọgụ ise, keta kwa ndu ebigh-ebi” (Matiu 19:29).

**“Bia Lee”**

Onye ọzọ nke Jisọs kpọrọ nime ndị náesoụzọ Ya bụ Filip. O kwere n’otù ntabianya ahụ na Jisọs bụ Ọkpara Chineke, ma ọ gara gwa Nataniel na Onyenzọpụta ahụ nke Moses buru amụma banyere Ya abịawo. Ọ bụ Jisọs Onye Nazaret nwa Josef. Nazaret bụ obodo ntà ebe Ndị Ju dịkasịrị ogbenye bi, ma ọdịghị ka ebe onye ukwu gaesi nime ya pụta. Nataniel sịrị Filip, “Ọ̀ di ezi ihe ọ bula puru isi na Nazaret pụta?” Filip agbalighị irugide ya? ọ sịrị náánị “Bia Lee.”

Jisọs chọrọ ka anyị niile n’otù n’otù bịa were “anya anyị hụ.” Ọ chọghị ka anyị were okwu ọ bụla ọzọ ịbụrụ anyị nzọpụta. Mgbe azọpụtara anyị “Mụọ Nsọ onwe-ya soro mọ ayi na agba àmà, na ayi bu umu Chineke” (Ndi Rom 8:16).

Ekele ahụ Jisọs kelere Nataniel bụ, “Le onye Israel n’ezie, onye aghụghọ nādigh ya n’aru!” Ọ pụrụ ileba anya nime obi Nataniel wee hụ na ọ dịghị aghụghọ dị nime ya dịka ndị odeakwụkwọ na ndị Farisi ndị bụ́ ndị okpukpé iruabụọ. Ndị Ju niile bụ́ ndị Israel, na elegide Abraham anya dịka nna nke okwukwe ha. Ma Jisọs gwara ha na Ekwensu -- ọ bụghị Abraham - bụ nna ha, n’ihi na ọlụ ha jọrọ njọ. Jisọs hụrụ na Nataniel abụghị onye iruabụọ, Ọ kpọrọ ya “onye Israel n’ezie.”

Jisọs ahụworị Nataniel tutu Filip akpọ ya. Jisọs naachọ ndị gaabụ ndị náesoụzọ Ya taa; ma mgbe Ọ hụrụ obi náadịghị aghụghọ, ọ pụrụ ịnọ n’ebe dị anya, Ọ gaadọta ya site n’ime ka amamikpe bata nime ya. Oge ụfọdụ Jisọs naagwa onyemmehie okwu ogologo oge tutu o chègharịa, ma ọ bụrụ na Ọ hụ nime mmadụ mmasị nke ifè Ya òfùfè, Ọ naenwe ogologo ntachiobi n’ebe onye ahụ nọ.

**Otù Nime Ndieledara Anya (1 Ndị Kọrint 1:28)**

Akpọrọ Livai ịbụ onye náesoụzọ Ya site n’etiti ndịkom ahụ ndị Ju kpọrọ asị. Ha bụ ndị ọnaụtụ nke ndịisi ọchịchị nke ndị Rom goro ọlụ ịnakọta ụtụego sitere na ndị Ju. N’oge niile ha bụ ndị náekwesịghị ntụkwasịobi, ma náanata ndị ahụ ego karịrị nke ha kwesịrị ịnata, wee náedebere onweha ụfọdụ nime ya. Akpọkwara ha ndịọnaụtụ ma anyị gụtara na Kraist hụrụ ha n’anya wee mee ha ndị enyi Ya. Eleghịanya ị pụrụ ịnaeche otú Jisọs ji hụ ụdị ndị dị otú a n’anya; ma ha kweere na ha bụ ndị mmehie, ma ọtụtụ nime ha bịakutere Jisọs wee chègharịa.

Anyị chètara akụkọ banyere onye Farisi na onye ọnaụtụ ahụ ndị gara n’ụlọ Chineke ikpeekpere. Onye Farisi ahụ “guzoro nēkpe ekpere nye onwe-ya otú a si, Chineke, ekelem Gi, na adighm ka ndi fọduru n’etiti madu … ma-ọbu dika onye ọna-utú a.” Ma onye ọnaụtụ ahụ nwere nwute n’ihi mmehie ya niile ọ pụghị kwa iweli anya ya elu kama ọ naeti aka n’obi wee náasị “Chineke ka obi Gi juru n’ebe mu bu onye nmehie nọ.” Jisọs sịrị na onye ọnaụtụ lara n’ụlọ ya bụrụ onye agụrụ n’onye eziomume karịa onye Farisi ahụ n’ihi na onye ọnaụtụ ahụ chègharịrị. Jisọs abịaghị ịkpọ ndị eziomume, kama ọ bụ ndị mmehie ka ha chègharịa.

Ngwangwa ahụ Livai nụrụ òkù ahụ Jisọs kpọrọ ọ rapụrụ ihe niile soro Ya. Ọ hụrụ ọhụ̀ nke alaeze Eluigwe, ego ahụ ọ naanata site n’ọlụ ya atọghịkwa ya ụtọ ọzọ. Obi tọrọ ya ụtọ nke ukwuu na Jisọs akpọwo ya ịbụ onye náesoụzọ Ya nke mere na o siri óké oriri wee kpọ ọtụtụ ndị enyi ya. Eleghịanya Ọ kpọrọ ha ka ha soro kwa wee nụ akụkọ banyere Jisọs. Ọ tọrọ Jisọs ụtọ ịgwá ha okwu Chineke n’ihi na Ọ matara na ha chọrọ Onyenzọpụta ahụ, O wee chọọ inyere ha aka.

**“Ọlụ Ka Ndị a Ukwuu…” (Jọn 14:12)**

Mgbe Jisọ kpọsịrị ndị náesoụzọ Ya. Ọ naejégharị na Galili náekwusa n’ụlọ nzukọ ha n’ụbọchị izu ike ma náalụ kwa ọtụtụ ọlụ ebube dị icheiche. Ọtụtụ mmadụ bịara site n’obodo niile dị gburugburu ka agwọ ọrịa niile ha, ma Jisọs gwọrọ ha niile. Ọ dịghị mgbe ọ bụla anyị gụtara na Ọ chụghachiri onye ọ bụla ázụ̀ bụ́ onye bịakutere Ya ka O nyere ya aka. Mgbe Ọ naalụ ọlụ ebube a Ọ naakụziri ndị náesoụzọ Ya ọlụ ha gaalụ, ma Ọ gwara ha na ha gaalụ karịa Ya onweya n’ihi na mgbe náadịghị anya Ọ gaalaghachikuru Nna Ya n’Eluigwe.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị bụ ozi ahụ Kraist kwusara nke ya na ozi Jọn bụ otù ihe?
2. Ndị náesoụzọ Ya hà rubeere Jisọs isi n’okwu ahụ “Som?”
3. Kpọọ aha mmadụ isii ndị Jisọs kpọrọ ka ha so Ya?
4. Filip, ọ̀ mara Jisọs dịka Kraist ahụ?
5. Gịnị ka Filip gwara Nataniel banyere Jisọs?
6. Gịnị ka ekwere anyị ná mkwà ma ọ bụrụ na anyị arapụ ihe niile soro Ya?